

# Ka Anyị Gụọ!

## Akwụkwọ Ụmụakwụkwọ

Praịmarị 2

Taam 1 — 3

Igbo

USAID
FROM THE AMERICAN PEOPLE

THE INITIATIVE

# Ka Anyị Gụọ!

## Akwụkwọ Ụmụakwụkwọ

Praịmarị 2

Taam 1 — 3

Igbo

This early grade reading material for primary teachers and pupils in Nigeria is made possible by the support of the American people through the United States Agency for International Development (USAID) under The Initiative (Contract Number AID-620-C-15-00002).

First edition, 2021

Rights and permissions

The text and illustrations in this work are licensed under the Creative Commons Attribution 4.0 International License. To view a copy of this license, visit http://creativecommons.org/licenses/by/4.0/. Under the Creative Commons Attribution license, the user is free to copy, distribute, transmit and adapt the work as long as they attribute or credit the original author or illustrator. In the case of this book, use the following attribution language: "Developed under The Initiative and licensed under the Creative Commons Attribution 4.0 International License."

---

Ọ bụ nkwado na enyemaaka nke ndị obodo Amerika site n'ụlọọrụ United States Agency for International Development (USAID) nke sitekwara n'okpuru atụmatụ The Initiative (Contract Number AID-620-C-15-00002) ka mmepụta akwụkwọ ogo nta a maka ọgụgụ nke ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ praịmari dị n'obodo Naijirịa jiri bịa na mmezu.

Mbipụta Mbụ, 2021

Ikike na oke ruuru onye

Edemede na esere ese ndị dị n'ọrụ a nwere ikike sitere n'aka ndị Creative Commons Attribution 4.0 International License. Iji hụ akwụkwọ ikikere a, gaa na http://creativecommons.org/licenses/by/4.0/. N'okpuru akwụkwọ ikike ndị Creative Commons Attribute, onye ọbụla nwere ohere idere, kesaa, gbasaa ma gbasoro usoro ederede a. N'ime nke a, ọ ga-akpọpụtarịrị maọbụ tookwa odee mbụ na onye osise ihe mbụ akwụkwọ a. Maka ịrụtụ aka n'akwụkwọ a, gbasoro usoro a: "Developed under the USAID-funded The Initiative program and licensed under the Creative Commons Attribution 4.0 International License."

# Tebụl Ndịnaya


Nkwupụrụ ... i
Aha Ndị Dere Akwụkwọ ... ii
Okwu Nkwado sitere n'aka NERDC ... iv
Okwu Mmalite ... v
Ndubata ... vi

**Taam ... 1**
Izu 1 ... 2
Izu 2 ... 8
Izu 3 ... 14
Izu 4 ... 20
Izu 5 ... 26
Izu 6 ... 27
Izu 7 ... 33
Izu 8 ... 39
Izu 9 ... 45
Izu 10 ... 51

**Taam 2 ... 52**
Izu 1 ... 53
Izu 2 ... 59
Izu 3 ... 65
Izu 4 ... 71
Izu 5 ... 77
Izu 6 ... 78
Izu 7 ... 84
Izu 8 ... 90
Izu 9 ... 96
Izu 10 ... 102

**Taam 3 ... 103**
Izu 1 ... 104
Izu 2 ... 110
Izu 3 ... 116
Izu 4 ... 122
Izu 5 ... 128
Izu 6 ... 129
Izu 7 ... 135
Izu 8 ... 141
Izu 9 ... 147
Izu 10 ... 153

# Nkwupụrụ

Atụmatụ ọgụgụ akwụkwọ nke ndị ogo nta a bụ aka ọrụ nke ndị ọka mmụta na ọkachamara n'okpuru ụlọọrụ ndị Nigerian Educational Research and Development Council (NERDC) nakwa atụmatụ mwulite mmụta nke ụlọọrụ The Initiative nke ụlọọrụ USAID na-akwado. Aha ndị so depụta akwụkwọ a dị n'ihu akwụkwọ iii. Ọkankụzi Ismai'l Junaidu, onye ode akwụkwọ ukwu NERDC, onye kwadoro atụmatụ a site na mbido ruo na ngwụcha ya. Denise O'Toole na Dr. Nura Ibrahim nke ụlọọrụ United States Agency for International Development (USAID) onye nyere ndụmọdụ ndị dị mkpa n'ogo niile nke atụmatụ ọrụ a. Nurudeen Lawal, Lydia Ezihe Onuoha, Dr. Mark Hamilton, Zahra'u Abubakar Maishanu, Zaliha Nasiruddeen Bello, Joy du Plessis, Mary Sugrue, na Corrie Blankenbeckler nyere ntụzi aka pụrụ iche banyere ọgụgụ a. SIL International weere akọrọngwa SynPhony ọlọrọohụrụ wee kwado mwulite akwụkwọ nhazi usoro ihe Ọmụmu ndị a chọrọ ga-enye aka n'ịgbazi usoro odide akwụkwọ ọgụgụ ọhụrụ a. Dr. Nasir M. Baba bụ onye nchịkọta, ebe Opeyemi Ogunleye hụrụ maka ihe Ọmụmu nke igwe okwu ICT nke veshual wọkshọọp. Ndị sere ihe osise bụ Godwin Ondoma, Samson Lawrence, Christian Ikpe, na Aliyu Sani. John Akanbi Nhorj, Aliyu Sani, Ernest Ibe na Uche idu mere ngosipụta ngwa nkụzi.

# Aha Ndị Dere Akwụkwọ

| **Aha** | **Adịreesi maọbụ Ebe ọrụ** |
|---|---|
| Aladum Chinwe | Imo State Universal Basic Education Board |
| Angela Nkechi Asadu | Enugu State Universal Basic Education Board |
| Ani Nnamdi | Nnamdi Azikiwe University, Awka |
| Ann Nwokoro | 45 Market Road Uzuakoli |
| Anoke Gloria Onyekachi | Ebonyi State Universal Basic Education Board |
| Bilyaminu Bello Inuwa | Bayero University, Kano |
| Caroline Chigbo | Enugu State Universal Basic Education Board |
| Charles Chukwuma Motanya | Aminu Saleh College of Education, Azare |
| Chinedu Ezebube | University of Nigeria, Nsukka |
| Chinyere Nwokorie | Federal Ministry of Education, Abuja |
| Dr. Benedict N. Igbokwe | Federal University of Technology, Owerri |
| Dr. Chukwuma Onyebuchi Okeke | University of Nigeria, Nsukka |
| Dr. Lucy M. Apakama | Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri |
| Dr. Mrs Chidimma Eunice Elekwa | Imo State Universal Basic Education Board |
| Dr. Nkeoma Akueshi N. | Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri |
| Dr. Ann C. Onyekelu hi | Nnamdi Azikiwe University, Awka |
| Dr. Chima Egbujuo | Nigerian Educational Research and Development Council, Abuja |
| Dr. Hafsat Lawal Kontagora | National Teachers' Institute, Kaduna |
| Dr. Margaret Lawani | Nigerian Educational Research and Development Council, Abuja |
| Dr. Mark Hamilton | The Initiative |
| Dr. Nkechi Adiele | Nigerian Educational Research and Development Council, Abuja |
| Dr. Nkechi Ohaike | National Institute of Nigerian Languages, Aba |

| Aha | Adịreesi maọbụ Ebe ọrụ |
|---|---|
| Dr. Nneka Justina Eze | Ebonyi State University, Abakaliki |
| Dr. Thecla Udemmadu | Nnamdi Azikiwe University, Awka |
| Eunice Chinwe Nwaehie | Amukoko Alafia B/Stop,Lagos |
| Ifezue Ogoamaka | Unity Montessori Nursery and Primary School, Kubwa Abuja |
| Ihouma Ohajuru | Abia State Universal Basic Education Board |
| Ijeoma Nwankwo | Corona Secondary School, Agbara |
| Kelvin Obinna Alisi | Gregory University, Uturu |
| Lydia Ezihe Onuoha | The Initiative |
| Mba-John Chinyere Nwanne | St. Joseph's College, Aba |
| Mr. Chidi Ogbonna | Nigerian Educational Research and Development Council, Abuja |
| Ngozi Francisca Kanu | Federal Government Girls' College Umuahia, Abia State |
| Nurudeen Lawal | The Initiative |
| Nwoye Esther | Anambra State Universal Basic Education Board |
| Onodugo Adanna Vivian | St. Kizito's Catholic Church, Kuje |
| Onwuzuruike Augustine C. | Imo State University Owerri |
| Onyekachi Nwokoro | Michael Okpara University of Agriculture, Umudike |
| Prof. Herbert Igboanusi | University of Ibadan |
| Prof. Obiajulu Emejulu | National Institute for Nigerian Languages, Aba |
| Uche Eneh Felicia | Crescent Crystal Estate Amuwo Odofin, Lagos |
| Zaliha Nasiruddeen Bello | The Initiative |
| Zahra'u Abubakar Maishanu | The Initiative |

# Okwu Mmalite

Ime nke ọma n’ụlọakwụkwọ anaghị adị mfe ma ọ bụrụ na ụmụakwụkwọ amaghị ka e si agụ. N’agbanyeghị, ọgụgụ anaghị eme na ndapụta. Ụmụakwụkwọ na-amụ ka e si agụ site n’usoro ọgụgụ doro anya a haziri ahazi, nke ndị nwere nkwado nke ndị nchịkọta ụlọakwụkwọ, ndị nkụzi, nne na nna nakwa ndị ọzọ mejupụtara ezinụlọ. Nchọcha nke e mere banyere ọgụgụ n’ogo nta n’ụlọakwụkwọ dị n’obodo Naịjirịa gosịrị na ọnụọgụgụ ụmụaka ndị nwere nka ọgụgụ dị ntakịrị. Ndị ọkachamara n’ọrụ nhazi usoro ihe ọmụmụ na nkụzi ma mkpa ọ dị ime ngwangwa kwalite atụmatụ ọgụgụ, ọbụladị karịa mbọ ndị ahụ mịtara mkpụrụ nke nyeere ọtụtụ steeti ndị asụsụ Hausa aka n’ịkwalite ntozuoke ndị nkụzi anyị n’ịkụzi ọgụgụ otu ga-amịta mkpụrụ na steeti niile dị n’ala Naịjirịa. N’ibunye ụlọọrụ United States Agency for International Development (USAID) abọ ekele na nkwado ndị obodo America, steeti ndị na-asụ Igbo na mpaghara Ọwụwa anyanwụ nke Naịjirịa , e tinyela uchu n’ịgbakọta aka n’ọrụ nke ha na ụlọọrụ The Initative n’imepụta akwụkwọ nkụzi na ọmụmụihe ndị a dị kpoo nakwa itinye n’ọrụ nke akwụkwọ Ka Anyị Gụọ! maka ọdịmma nke ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi ndị sitere n’ogo P1 ruo P3.

Atụmatụ a bịara n’oge dị mma, anyị kwadokwara ya nke ọma. Ebe ọ bụ na nlekwasịanya nke mba ụwa na mmụta bụ ịkwalite ogo ọgụgụ ụmụakwụkwọ, obodo Naịjirịa bụ onye mgbakọ aka tinyere uchu na mbọ a. Akwụkwọ Ka Anyị Gụọ! a, ka e depụtara na gbakwasịrị ukwụ n’usoro ọkachamara nke mba ụwa nke gbadoro ụkwụ na ọtụtụ ndị ọkachamara na nkụzi nhazi usoro ọmụmụihe na asụsụ Igbo, ndị sitere na steeti dị iche iche na Naịjirịa. Ndepụta akwụkwọ a gbadoro ụkwụ na nchịkọta nchọpụta e mere banyere nkụzi ọgụgụ, nke a chọpụtara na ọ dị ire n’ala Naijiria, nakwa ọtụtụ mba ụwa ndị ọzọ.

Dịka ndị ọrụ nkụzi ọgụgụ, ndị nkụzi bụ isi sekpụ ntị n’ịhụ na atụmatụ akwụkwọ Ka Anyị Gụọ! a mịtara ezi mkpụrụ. Ọ dị oke mkpa na ndị niile nwere aka oke na mmụta gbara mbọ iji hụ na ndị nkụzi praịmarị nwetara nkwado ha chọrọ iji nyere ụmụakwụkwọ aka ka ha mụta ọgụgụ. Iji nweta mbunuche mbọ a, ndị nkụzi ga na-eduzi ma kwalitekwa ụmụakwụkwọ ka ha na-agụ ma na-edekwa n’ụlọakwụkwọ nakwa n’ụlọ ha dị iche iche. Ọrụ dịịrị ndị nne na nna (ndị na-elekọta ụmụaka) bụ ịkwado ụmụakwụkwọ n’ọgụgụ na odide n’ụlọ kwa ụbọchị. Ndị nne na nna ga-ahụkwa na ụmụ ha gara ụlọakwụkwọ n’oge kwa ụbọchị, dịkwa njikere ịmụ ihe. Nke ka nke, ndị nne na nna ga-enye aka hụ na ha wulitere mmasị ọgụgụ n’ụmụ ha. E wezuga ogo nkụzi, ọ bụ inwe mmasị ọgụgụ na-akwado ma na-akpalite mmụọ ụmụaka ka ha bụrụ ndị ụbụrụ ga-enwugide ọkụ na mmụta, iji hụ na ha gara n’ihu n’ụlọakwụkwọ nakwa na ndụ ha, mgbe ha gụchara akwụkwọ.

Ndị nchịkọta mmụta n’ogo steeti ga-agba mbọ hụ na ha zụtaara ma keekwara ụlọakwụkwọ, ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ akwụkwọ a mara mma ma dịkwa oke mkpa. Inye ndị nkụzi praịmarị anyị ohere ka ha nweta ọzụzụ, nduzi na ntụzi aka ndị ọkachamara kwa mgbe kwa mgbe bụ ọrụ dịịrị ndị isi nchịkọta ọmụmụ na steeti ọbụla, nke a dị oke mkpa maka ọganihu akwụkwọ a bụ Ka Anyị Gụọ!. Ụmụafọ Naịjirịa niile nwere oke na ọrụ na mbọ a, onye ọbụla ga-arụrịrị ọrụ ruuru ya ịhụ na-akwadosiri ike ewumewu mmụta a dị oke mkpa, nke bụ maka ọdimma ụmụ anyị n’ọmụmụ ha taa na ọmụmụ ha n’ọdịnihu. A kwadosiri ndị nkụzi ike ka ha gbaa mbọ hụ na ha na ụmụakwụkwọ ha na-agụ akwụkwọ ndị a kwa ụbọchị, nke bụ ntọala eji ewulite nka ọgụgụ n’oge. Ọ bụrụ na anyị gbasoro nzọmụkwụ ndị a, enwere m olileanya na ụmụ anyị, ime obodo anyị na ala Naịjirịa ga-enwe ọganihu ma dịkwa ezigbo mma n’ọdịnihu.

Prof. Ismail Junaidu

Nnukwu Odeakwụkwọ


**Nigerian Educational Research and Development Council**

# Ndubata


E dere akwụkwọ a ka ụmụakwụkwọ nọ n'afọ atọ nke mbụ nke praịmarị nka ọgụgụ ha ga-eji amụta ka e si agụ ihe ọgụgụ nke ọma. Achọpụtara na ọnụọgụgụ ụmụakwụkwọ ndị maara ka e si agụ ihe ọgụgụ n'olu asụsụ nne ha n'ụlọakwụkwọ ndị nọ na mpaghara Ugwu nke Naịjirịa dị ntakịrị. N'ezie, nchọcha e mere na mba ụwa niile gosịrị na ndị nkụzi amarala nke a: oge ụmụakwụkwọ ndị ogo nta mụtara ka e si agụ ihe ọgụgụ were were ma nwee ezi nghọta n'asụsụ nne ha, ime nke ọma na-agụmakwụkwọ ha n'ụlọakwụkwọ ha dị ire. Dika ụmụakwụkwọ na-eto, nka ọgụgụ ha nwetara oge ha malitere ịga ụlọakwụkwọ ọhụụ na-enyere ha aka ma na-akwadokwa ha n'Ọmụmuihe n'asụsụ ndị ọzọ. N'ịga n'ihu, inweta nka ọgụgụ n'oge na-akwado Ọmụmuihe na ngalaba Ọmụmuihe ndị ọzọ, nke inwe ike igụ ihe ọgụgụ dị oke mkpa na ya. Ọ bụ ogo nkụzi na nduzi ụmụakwụkwọ nwetara n'ụlọakwụkwọ na-apụta ihe n'ogo ọgụgụ ihe ha.

Mmasị na amamihe, nka, mkpebi, ịdị uchu na njikere onye nkụzi ime ka e nwee nwulite ezi ọgụgụ ga-eme ka atụmatụ ọgụgụ a nwee ọganihu. Iji mee ka mkpebi ịdị uchu na njikere ịrụ ọrụ a dịgide, a chọrọ nkwado ndị nne na nna na nke ndị obodo. Ọ bụ ọrụ ndị nne na nna ịhụ na Ọmụmu na-aga n'ihu ya na nkwado si n'aka ndị agbataobi ụlọakwụkwọ. A ga-enyerịrị nwa akwụkwọ ọbụla otu akwụkwọ ọ ga na-agụ iji kwalite ọgụgụ. Ndị nkụzi na ndị isi ha ga-agba mbọ hụ na-enyere ụmụakwụkwọ akwụkwọ ndị a ka ha na-agụ, ọ bụghị id-owe ha ebe ọzọ ana agaghị agụ ha agụ. A ga-enye akwụkwọ ndị a n'efu, ka ụmụakwụkwọ nwee ohere na ngwa ha ga-eji eme nke ọma. A ga-akwadosi ụmụakwụkwọ ike ka ha were akwụkwọ ha laa n'ụlọ ma ụlọakwụkwọ gbasaa kwa ụbọchị. Ndị nne na nna n'aka nke ha ga-ahụ na ha nyeere ụmụ ha aka ime ihe omume dị n'akwụkwọ ha, hụkwa na ha ghọtara ma gbasoro ọmụmaatụ ihe omume ụlọ e nyere. Ndị nne na nna ga na-agụpụtara ụmụ ha ihe ọgụgụ, geekwa ụmụ ha ntị ka ha na-agụpụta ihe ọgụgụ, kọrịta akụkọ ma kwadokwa ụmụ ha n'odide, site n'ide ihe kwa ụbọchị. Nke a ga-eme ka ụmụaka nwee ọganihu, ka ha na-eto, na-enweta nka na mkpali – nwee mmasị ịgụ ihe ọgụgụ - gụọ ma na-agụkwa nke ọma.

E dere akwụkwkọ a, buru n'uche na onye ọbụla nọ na ndụ nwatakịrị ọbụla nwere ọrụ dị oke mkpa ọ ga-arụ n'ịkwado ụmụaka n'Ọmụmu ihe ọgụgụ, dị ezigbo mkpa n'ogo praịmarị nke nta. Ndị nkụzi na nne na nna, na-arụ ọrụ pụrụ iche ma dịkwa ezigbo mkpa, dịka e kwupụtara ebe a. N'agbanyeghị, ha ga-enwe mkpebi ikwadosi Ọmụmu ụmụaka ike. Akwụkwọ a nyere ohere mbido, ọ bụ akwụkwọ ntọala nke ụmụaka niile ga-esi na ya bụrụ ndị maara ka e si agụ ịhe ọgụgụ ma na-amụtakwa ihe nke ọma na ndụ ha niile.



# Taam 1
# Izu Ụka 1 - 10



Lee aka Nnanna.

Aka Nnanna ka aka Nnaka.

Aka Nnaka akaala nka.

Nnanna ka kaa nka.

Aka Nnanna kakwa kaa nka.

| | |
|---|---|
| ■ | K k N n A a |
| ● | ka na |
| ▲ | aka Nnaka nna |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | | |
|---|---|---|
| aka | aka | |
| Nnaka | Nnaka | |
| nna | nna | |




| | | |
|---|---|---|
| aka | aka | |
| Nnaka | Nnaka | |
| nna | nna | |

## Ihe Ọmụmụ 2



Aka Nnanna

Aka Nnanna



Aka Nnanna na aka Nnaka

Aka Nnanna na aka Nnaka



Nkata nna Nnanna na Nnaka.

Nna Nnanna bu nkata.

Nna Nnaka bu nkata.

Nna Nnanna akaala nka.

Nna Nnaka akaala nka.

Nkata nna Nnanna akaala nka.

| | |
|---|---|
| ■ | K k N n A a |
| ● | a ka na |
| ▲ | aka nna Nnaka |

**Ihe Ọmụmụ 3**



| | | |
|---|---|---|
| Aka | Aka | |
| nna | nna | |
| Nnaka | Nnaka | |



| | | |
|---|---|---|
| Aka | Aka | |
| nna | nna | |
| Nnaka | Nnaka | |

## Ihe Ọmụmụ 4



Aka nna Nnaka

Aka nna Nnaka



Nkata nna Nnanna

Nkata nna Nnanna



Nneka na Anene kọrọ ede.

Ede Nneka kara aka.

Ndanda tara nke Anene.

Nneka rere ede.

Nke Anene rere ere.

| | |
|---|---|
| ■ | D d R r E e |
| ● | de re da |
| ▲ | ede rere ndanda |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | | |
|---|---|---|
| ede | ede | |
| rere | rere | |
| ndanda | ndanda | |



| | | |
|---|---|---|
| ede | ede | |
| rere | rere | |
| ndanda | ndanda | |

## Ihe Ọmụmụ 2



Ede Nneka kara aka

Ede Nneka kara aka



Ede Anene rere ere

Ede Anene rere ere



Lee nna Ada na nna Ekene.

Lee ụlọ nna Ada na nke nna Ekene.

Ụlọ nna Ada kara nka.

Nke nna Ekene dara ada.

Nke Ada rekara ereka.

| | |
|---|---|
| ■ | D d R r E e |
| ● | da re ra |
| ▲ | dara rekara kara |

## Ihe Ọmụmụ 3



| | | |
|---|---|---|
| dara | dara | |
| rekara | rekara | |
| kara | kara | |




| | | |
|---|---|---|
| dara | dara | |
| rekara | rekara | |
| kara | kara | |

## Ihe Ọmụmụ 4



Ada kara nka

Ada kara nka



Ekene dara ada

Ekene dara ada



Nna Ada rere unere.

Nne Ada rere nnu.

Ada chutere mmiri.

Ekene siri nri ma rie nri.

Ezinụlọ nne na nna Ada amaka.

| | |
|---|---|
| ■ | Mm Ii Uu |
| ● | mi ri nu |
| ▲ | mmiri nri nnu |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | | |
|---|---|---|
| mmiri | mmiri | |
| nri | nri | |
| nnu | nnu | |




| | | |
|---|---|---|
| Mmiri | mmiri | |
| nri | nri | |
| nnu | nnu | |

## Ihe Ọmụmụ 2



Adạ rere nnu

Adạ rere nnu



Nhe ạdạ riri nri

Nhe ạdạ riri nri




Emeka bụ nna Ekene.

Emeka mere ude.

Ude o mere dị mmiri mmiri.

Ekene rere ude Emeka mere.

Ude bara uru.

| | |
|---|---|
| ■ | M m  I i  Uu |
| ● | mi  ri  nu |
| ▲ | Emeka  mmiri  uru  erimeri |

## Ihe Ọmụmụ 3



| | | |
|---|---|---|
| Emeka | Emeka | |
| mmiri | mmiri | |
| uru | uru | |
| erimeri | erimeri | |




| | | |
|---|---|---|
| Emeka | Emeka | |
| mmiri | mmiri | |
| uru | uru | |
| erimeri | erimeri | |

## Ihe Ọmụmụ 4



Emeka mere ude

Emeka mere ude



Ekene rere ude Emeka

Ekene rere ude Emeka



Ebo na nne kọrọ inine n'ubi.

Inine mere nke ọma.

Obinna na Amaka kọrọ ọka.

Ọka Obinna na Amaka mere nke ọma.

Obi dị nne na Obinna mma.

| | |
|---|---|
| ■ | B b O o Ọ ọ |
| ● | bo bi rọ |
| ▲ | Ebo ubi Obinna kọrọ |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | | |
|---|---|---|
| Ebo | Ebo | |
| ubi | ubi | |
| Obinna | Obinna | |
| kọrọ | kọrọ | |




| | | |
|---|---|---|
| Ebo | Ebo | |
| ubi | ubi | |
| Obinna | Obinna | |
| kọrọ | kọrọ | |

## Ihe Ọmụmụ 2



Obinna kọrọ ọka

Obinna kọrọ ọka



Inịne mere nke ọma.

Inịne mere nke ọma.



Ekene bi n'obodo Abọ.

Ekene ji mma ebie ụgụ.

Nne Ekene siri ede.

Nne Ekene riri ede.


Nri nne Ekene mara mma oriri.

| | |
|---|---|
| ■ | B b Oo Ọ ọ |
| ● | bo bọ rọ |
| ▲ | Obodo Abọ ero |

## Ihe Ọmụmụ 3



| | |
|---|---|
| Obodo | Obodo |
| ero | ero |
| Abọ | Abọ |




| | |
|---|---|
| Obodo | Obodo |
| ero | ero |
| Abọ | Abọ |

## Ihe Ọmụmụ 4



Nnenna kọrọ ede

Nnenna kọrọ ede



Ekene riri ede

Ekene riri ede

# Akwụkwọ Nnwale

**Aha nwa Akwụkwọ:** ________________

Ọnụọgụgụ mkpụrụokwu e detara

## Mpaghara 1: Mkpụrụedemede

a r K M I ọ E

## Mpaghara 2: Nkejiokwu

de ru bo ka rọ mi

## Mpaghara 3: Mkpụrụokwu

ede mmiri nnu Nnaka emeka kọrọ

## Mpaghara 4: Ederede

Ebo na nne kọrọ inine n'ubi.
Inine mere nke ọma.
Obinna na Amaka kọrọ ọka.
Ọka Obinna na Amaka mere nke ọma.
Obi dị nne na Obinna mma.

## Mpaghara 5: Agụmagụ Aghọtaazaa


Ajụjụ:

1. Gịnị ka Ebo kọrọ?
2. Kpọpụta ihe atọ a na-akọ n'ugbo?
3. Gịnị mere obi ji di nne mma?

## Mpaghara 6: Akpọọ Edee

uru nri rekara ede

## Nkwupụta Onye Nkụzi:



Ihuọma mere enyi.

Aha enyi Ihuọma bụ Ikenna.

Ha sara akwa atọ taata.

Akwa ha sara mara mma.

Ha ma asa akwa nke ọma.

| | | | |
|---|---|---|---|
| ■ | T t | S s | H h |
| ● | tọ | sa | ha |
| ▲ | atọ | asa | aha |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | |
|---|---|
| atọ | atọ |
| asa | asa |
| aha | aha |



| | |
|---|---|
| atọ | atọ |
| asa | asa |
| aha | aha |

## Ihe Ọmụmụ 2

Ihuoma mara mma

Ihuoma mara mma

Ikenna sara akwa

Ikenna sara akwa



Tobe na Kasie mere enyi.

Ha maara ede edemede.

Tobe dere edemede ise.

Kasie dere edemede atọ.

Nne na nna ha toro ha.

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| ■ | T t | S s | H h | |
| ● | to | se | ha | |
| ▲ | Tobe | ise | ose | ọha |

## Ihe Ọmụmụ 3



| | |
|---|---|
| Tobe | Tobe |
| ise | ise |
| ose | ose |
| ọha | ọha |



| | |
|---|---|
| Tobe | Tobe |
| ise | ise |
| ose | ose |
| ọha | ọha |

## Ihe Ọmụmụ 4

Tobe dere edemede ise

Tobe dere edemede ise

Nne na nna ha toro ha

Nne na nna ha toro ha



Nneka na Oge bi n'otu ụlọ.

Ịhụnanya ha siri ike.

Oge zụtaara Nneka ụtụ.

Nneka zụtaara Oge okooko.

Obi tọrọ ha ụtọ.

| | |
|---|---|
| ■ | G g L l Ụ ụ |
| ● | gụ lọ tụ |
| ▲ | ụgụ ụlọ ụtụ |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | |
|---|---|
| ụgụ | ụgụ |
| ụlọ | ụlọ |
| ụtụ | ụtụ |



| | |
|---|---|
| ụgụ | ụgụ |
| ụlọ | ụlọ |
| ụtụ | ụtụ |

## Ihe Ọmụmụ 2

Nneka rara ụtụ

Nneka rara ụtụ

Obi tọrọ ha ụtọ.



Ngọzi bụ otu nwa.

Aha enyi Ngọzi bụ Ezinne

Ngọzi na-arịa ọrịa.

Ezinne bịara leta Ngọzi taa.

O saara Ngọzi ụlọ ha.

| | |
|---|---|
| ■ | G g L l Ụ ụ |
| ● | gụ lụ gu |
| ▲ | ọgụ Ọlụọma igu ogugu |

## Ihe Ọmụmụ 3



| | |
|---|---|
| ọgụ | ọgụ |
| Ọlụọma | Ọlụọma |
| igu | igu |
| ogụgụ | ogụgụ |



| | |
|---|---|
| ọgụ | ọgụ |
| Ọlụọma | Ọlụọma |
| igu | igu |
| ogụgụ | ogụgụ |

## Ihe Ọmụmụ 4

Enyi Ngozi bụ Ezinne

Enyi Ngozi bụ Ezinne

Ezinne letara Ngozi taa

Ezinne letara Ngozi taa



Nna Azụka na-azụ ọtụtụ anụ.

Ọ na-azụ ejula na ewu iri.

O nwere ọtụtụ ọkụkọ na atụrụ iri.

Ewu anọ nwere ogologo mpi.

Anụ nna Azụka niile mara mma.

| | |
|---|---|
| | J j P p Z z |
| | pi ju zụ |
| | ejula mpi apa azụ |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | |
|---|---|
| mpi | mpi |
| ejula | ejula |
| azụ | azụ |
| apa | apa |



| | |
|---|---|
| mpi | mpi |
| ejula | ejula |
| azụ | azụ |
| apa | apa |

## Ihe Ọmụmụ 2



Akachi rere ọtụtụ anụ

Akachi rere ọtụtụ anụ



O rere ọkụkọ na atụrụ

O rere ọkụkọ na atụrụ



Uju na-azụ ezi.

Ha ruru otu puku na narị ise.

Narị abụọ mụrụ ụmụ.

Narị asatọ bụ oke.

Ọ na-elekọta ha nke ọma.

| | |
|---|---|
| | Jj Pp Zz |
| | ju pu zi |
| | Uju puku ezi |

## Ihe Ọmụmụ 3



| | |
|---|---|
| Uju | Uju |
| puku | puku |
| ezi | ezi |



| | |
|---|---|
| Uju | Uju |
| puku | puku |
| ezi | ezi |

## Ihe Ọmụmụ 4



Nna Ụju zụrụ umu ezi

Nna Ụju zụrụ umu ezi



Ezi a ruru otu puku

Ezi a ruru otu puku



Ada tara atụ n'ụtụtụ zakwaa ezi.

Ọ sara efere wụfuo mmiri ruru unyi.

Ada wụnyere mmiri ahụ ya na bọketi.

Ọ sara ahụ ma yiri uwe ya.

O weere akpa ya gawa ụlọakwụkwọ.

| | |
|---|---|
| ■ | Y y F f W w |
| ● | yi fe wa ya wụ |
| ▲ | yiri efere gawa wụfuo |

## Ihe Ọmụmụ 1



| | |
|---|---|
| efere | efere |
| wụfuo | wụfuo |
| yiri | yiri |
| gawa | gawa |



| | |
|---|---|
| efere | efere |
| wụfuo | wụfuo |
| yiri | yiri |
| gawa | gawa |

## Ihe Ọmụmụ 2



Ada sara efere ya mmiri

Ada sara efere ya mmiri



O tere ude ma yiri uwe

O tere ude ma yiri uwe



Oriakụ Ụwaọma bụ nne Adaobi.

Ọ mụrụ ejima.

Ụmụ ejima ahụ yiri onwe ha.

Ha na-eyi uwe mara mma.


Uwe ha na-adị ọcha.

| | |
|---|---|
| ■ | Y y F f W w |
| ● | yi fe wa we |
| ▲ | yiri felie Ụwaọma uwe |

## Ihe Ọmụmụ 3



| | |
|---|---|
| Yiri | yiri |
| uwe | uwe |
| felie | felie |
| Ụwaọma | Ụwaọma |



| | |
|---|---|
| Yiri | yiri |
| uwe | uwe |
| felie | felie |
| Ụwaọma | Ụwaọma |

## Ihe Ọmụmụ 4

Uwe ha mara mma

Uwe ha mara mma

Ụmụ ejima yiri onwe ha

Ụmụ ejima yiri onwe ha

# Akwụkwọ Nnwale

**Aha nwa Akwụkwọ:** ____________________

Ọnụọgụgụ mkpụrụokwu e detara

## Mpaghara 1: Mkpụrụedemede

S g l ụ Y w

## Mpaghara 2: Nkejiokwu

Ju tọ se gụ ha

## Mpaghara 3: Mkpụrụokwu

mpi ose ọgụ ejula wụfuo

## Mpaghara 4: Ederede

Ngọzi bụ otu nwa.
Aha enyi Ngọzi bụ Ezinne
Ngọzi na-arịa ọrịa.
Ezinne bịara leta Ngọzi taa.
Ọ saara Ngọzi ụlọ ha.

## Mpaghara 5: Agụmagụ Aghọtaazaa

Ajụjụ:

1. Kedụ aha enyi Ngọzi?
2. Kedụ ihe ndị e ji agwọ ọrịa?
3. Kedụ uru ezigbo enyi bara?

## Mpaghara 6: Akpọọ Edee

ụlọ Tobe mpi yiri

## Nkwupụta Onye Nkụzi:



# Taam 2

# Izu Ụka 1 - 10



Aṅụrịka maara eme ọtụtụ ihe.

O ji akwụkwọ rụọ nnụnụ.

O tiiri ya igwe mere ka o fee efe.

O fere vaam mgbe a tụliri ya elu.

Ọṅụ jupụtara nne na nna Aṅụrịka obi.

| | |
|---|---|
| ■ | Ṅ ṅ V v Ị ị |
| ● | ṅụ va rị dị |
| ▲ | Aṅụrịka ọṅụ vam aṅụrị |

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Nkasi zụtara ekwentị.

Ọ na-aṅụrị na ekwentị ya mara mma.

Ekwentị ya dị nkenke.

Ụdị ekwentị a ka nne ya ji aza oku.

Ekwentị Nkasi na-ebe vii vii vii.

| | |
|---|---|
| ■ | Ṅ ṅ V v Ị ị |
| ● | ṅu vị dị |
| ▲ | ọṅụ Aṅụrị ovim ụdị |

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Nkechi rụrụ ụgbọmmiri.

Ụgbọmmiri ya nwere oche ise.

Nna ya buuru ụgbọ ya gaa n’osimiri.

Nkechi hụrụ nna ya ka ọ na-akwọ ụgbọ ahụ.

Nkanụzụ amaka.

| | |
|---|---|
| ■ | SH sh GB gb CH ch |
| ● | shi gbọ chi che |
| ▲ | ịsha ụgbọ Nkechi oche |

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Chika rụrụ ụgbọala.

Ụgbọala ya bụ ụgbọala gbamgbam.

Ụgbọala ya dị chịmchịm mgbe ọ gbara ya.


O bu ya gaa na shọọpụ ya.


Ndị mmadụ toro ya.

Nke a mere ka obi dị ya mma.


| | |
|---|---|
| ■ | SH sh GB gb CH ch |
| ● | shọ gba gbọ chị |
| ▲ | shọọpụ gbamgbam ụgbọ chịmchịm |


## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Onyinye nwere nnukwu olulu mmiri.

Olulu mmiri ahụ dị obosara dịkwa okirikiri.

O nwere bọketi nwere eriri e ji ekute mmiri.

Eriri ahụ toro ogologo.

Onyinye na enyi ya na-ese mmiri.

Ngwere nọ ebe ahụ

| | |
|---|---|
| ■ | NY ny NW nw GW gw |
| ● | nyi nwe gwe |
| ▲ | unyi enyi nwere ngwere |

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Nwafọ bụ enyi m nwoke.

Anyị na-amụ maka ntụ.

Ngwa ntụ anyị gụnyere rula na teepu.


Anyị ji rula atụ mita na sentimita.


Anyị jikwa teepu atụ fiiti.

Ihe Ọmụmụ ntụ na-amasị anyị.

| | |
|---|---|
| ■ | NY ny NW nw GW gw |
| ● | nye nwa gwa nyị |
| ▲ | gụnyere nwoke ngwa anyị |


## Ihe Ọmụmụ 3



## Ihe Ọmụmụ 4







Mama Ojukwu na-ewe ihe ubi ya.

Ọ ghọtara nnukwu nkata ọkwụrụ ise.

Mkpụrụ ọka ya gbachara okpotokpo.


Mkpụrụ ọkpa ya ruru akpa atọ.


Akịdị ya ruru iko iri asatọ.

Aṅụrị jupụtara mama Ojukwu obi.


| | |
|---|---|
| ■ | KP kp KW kw GH gh |
| ● | kpụ kpo kwụ ghọ |
| ▲ | mkpụrụ okpotokpo<br>ọkwụrụ ghọtara |


## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Akwaugo gara Eke Amaifeke.

Ọ matara iko agwa iri anọ.

Ọ gbatara udu mmanya anọ.


Akwaugo gbatara karama mmanụ ise.


Ọ zụkwara akpa osikapa abụọ.

Ngwa ahịa ya machara mma.


| | |
|---|---|
| ■ | KP kp KW kw GH gh |
| ● | Kpa kwa ghụ gha |
| ▲ | akpa akwaugo aghụ agha |


## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4





# Akwụkwọ Nnwale

Aha nwa Akwụkwọ: ______________________

Ọnụọgụgụ mkpụrụokwu e detara

## Mpaghara 1: Mkpụrụedemede

Ị NY nw GB ch KW

## Mpaghara 2: Nkejiokwu

gbọ ghụ ṅụ nwa gwa kpụ

## Mpaghara 3: Mkpụrụokwu

Oche Akwaugo Aṅụrịka enyi Ụvụrụ

## Mpaghara 4: Ederede

Mama Ojukwu na-ewe ihe ubi ya.
Ọ ghọtara nnukwu nkata ọkwụrụ ise.
Mkpụrụ ọka ya gbachara okpotokpo.
Mkpụrụ ọkpa ya ruru akpa atọ.
Akịdị ya ruru iko iri asatọ.
Aṅụrị jupụtara mama Ojukwu obi.

## Mpaghara 5: Agụmagụ Aghọtaazaa

Ajụjụ:

1. Nkata ọkwụrụ ole ka Mama Ojukwu ghọtara?
2. Kedụ ihe abụọ e ji ọka emepụta?
3. Gịnị mere Mama Ojukwu ji nwee obi ụtọ?

## Mpaghara 6: Akpọọ Edee

Nwoke ịsha mkpụrụ. ọṅụ

## Nkwupụta Onye Nkụzi:



Usekwu Ebere nwere ọtụtụ ihe.

Ọtụtụ ngwa e ji esi nri dị n'ime ya.

O nwere efere sara mbara.

O nwere ite dị ukukoro.

O nwekwara mma dị ogologo.

Usekwu Ebere buru ibu.

## Ihe Ọmụmụ 1






## Ihe Ọmụmụ 2











Ijeọma bụ nwata toro ogologo.

Isi ya dị okirikiri.

Imi ya pịrị ọnụ.

Eze ya dị ọcha.

Mkpịsị aka ya toro ogologo.


Chukwu keziri ya nke ọma n'ezie.

## Ihe Ọmụmụ 3










## Ihe Ọmụmụ 4







Ụlọ ụka Adaakụ buru ibu.

Oche dị na ya dị ogologo.


Tebulu dị n’ụlọ ụka ha.


O nwere ọdịdị rektangụlụ.

Windo iri na abụọ dị gburugburu ya.


Ọnụ ụzọ ya dị obosara.


## Ihe Ọmụmụ 1






## Ihe Ọmụmụ 2







Ụlọakwụkwọ Obi bụ ụlọ elu dị ogologo.


Ọkọlọtọ ala Naịjịrịa dị obosara dị na ya.


A kụrụ okoko osisi n'ụdị koonu na ya.

Nnukwu kpakpando dị n'ọnụ ụzọ ya.


Ọdịdị ụlọakwụkwọ Obi amaka.


## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Ada siri osikapa tọrọ ụtọ.


O tinyere ya azụ na anụ.


Nna Ada gwara ya na nri ya tọrọ ụtọ.

Obi tọrọ Ada ụtọ n'ihe nna ya kwuru.


Ha ji obi aṅụrị rie osikapa ahụ.


## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Nna Ekemma bụ onye ọrụ ugbo.

Nne Ekemma na-enyere di ya aka.

Ha na-akọpụta ihe oriri dị iche iche.

Ihe oriri ndị a gụnyere akpụ na ji.

Ha na-akọpụtakwa ede na akwụkwọ nri.

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Ndị Igbo bi n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa.

Ha nwere ọtụtụ nri.

Nri ndị Igbo gụnyere ji na ụgba.

Ofe nsala na olugbu bụkwa ofe ndị Igbo.

Nri ndị Igbo niile bụ ezigbo nri.

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Nne Ada bụ onye ọrụ ugbo.


Nne Ada kọrọ ụdị nri ise.


Ọ kọrọ ọna na akpụ.

Ọ kọkwara ọka na ose.


Ada nyeere nne ya aka n'ugbo.


## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4





# Akwụkwọ Nnwale

Aha nwa Akwụkwọ: ____________________

Ọnụọgụgụ mkpụrụokwu e detara

## Mpaghara 1: Mkpụrụedemede

Ụlọakwụkwọ Obi bụ ụlọ elu dị ogologo.
Ọkọlọtọ ala Naịjirịa dị obosara dị na ya.
A kụrụ okoko osisi n'ụdị koonu na ya.
A kpụkwara nnukwu kpakpando n'ọnụ ụzọ ya.
Ọdịdị ụlọakwụkwọ Obi amaka.

## Mpaghara 2: Agụmagụ Aghọtaazaa

Ajụjụ:

1. Onye ka a na-akọwa ụlọ akwụkwọ ya ebe a?
2. Kedụ n'ụdị a kụrụ okoko osisi ebe ahụ?
3. Kedụ etu bọọlụ na-adị?

## Mpaghara 3: Akpọọ Edee

Nna Ada gwara ya na nri ya tọrọ ụtọ.

## Nkwupụta Onye Nkụzi:



# Taam 3
# Izu Ụka 1 - 10



Ọbịageri bụ nwata maara erube isi.

Ọ na-ekele ndị tọrọ ya oge ọbụla.

Ọbiageri na-echu mmiri kwa ụbọchị.

Ọ na-aghasara ọkụkọ nri.

Nne ya zụtaara ya akwa maka agwa ọma ya.

Nna ya zụtaara ya igwe ọhụụ.

Aṅụrị jupụtara Ọbịageri obi.

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Oziọma bụ nwata na-erubere ndị okenye isi.

Ọ ma esi ụdị nri dị iche iche.

Ọ maara edozi ụlọ nke ọma.

Oziọma makwa asa efere.

Ọ na-agba mbọ nke ukwuu.

Nne na nna ya hụrụ ya n'anya.

Ha ji ya eme ọnụ.

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Chude bụ ezigbo mmadụ.

Ọ naghị achọ imegbu mmadụ.

Nwunye ya na-enyere ndị ogbenye aka.

Ngọzi na Chika bụ ụmụ ha.

Ha nwere ezigbo agwa.

Ngọzi na-edobe ụlọ ọcha.

Chika na-asa ụgbọala nna ya kwa ụtụtụ.

Ha bi n'udo.

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Okoro bụ onye agbataobi Azụka.

Ha abụọ nwere ọdụ ahịa n'Eke Agụlụ.

Okoro ji ọgbatumtum aga ahịa.

Azụka ji ụkwụ aga ahịa.

Akpa ego Okoro dapụrụ n'ụzọ otu ụbọchị.

Azụka tụụtara ya ma nye ya Okoro n'ahịa.

O nyere Azụka akwa maka agwa ọma ya.

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Obi bụ nwata siri ike.

O nwere mmasị na mgba.

Ndị obodo ha na-asọ mpi mgba kwa afọ.


Obi na Ikem sọrọ mpi mgba nke afọ a.


Obi buliri Ikem elu ma tụọ ya n'ala.

Ụzụ tụrụ ebe niile.


E bulikwara Obi elu.


## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







E nwere ọtụtụ egwuregwu ụmụaka.

E nwere ụga na ịgba ọsọ.

Nkechi maara agba ọsọ nke ọma.

E hiwere asọmpi ịgba ọsọ n'ụlọakwụkwọ ha.


Nkechi nọchitere anya ndị klaasị ya.

Ọ nụghị ụda wịsụlụ.

Ọ gbara onye nke ikpeazụ maka nke a.

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Mgbịrịmgba egwuregwu akụọla.

Ebuka na Ada gbapụrụ n'ezi.

Ada gwara Ebuka ka ha kpọọ ụga.

Ebuka ekwetaghị.

Ada gwara ya ka ha chụọ onwe ha ọsọ.

Ebuka jụrụ ajụ.

Ọ chọghị ka uwe akwụkwọ ya metọọ.

Ha mechara kweta ka ha zụọ nchọ.

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Taa bụ Satọdee.

Ebube na ndị enyi ya arụchaala ọrụ ha.

Ha na-egwu egwu dị iche iche.

Uche na Ike na-egwu egwu ozuzo na ọchịchọ.

Uju na Ikem na-agba okoso.

Ọlụchi na Chinaza mere akpa nkolo.

Aṅụrị jupụtara ha niile obi.

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4





# Akwụkwọ Nnwale

**Aha nwa Akwụkwọ:** ______________________

**Ọnụọgụgụ mkpụrụokwu e detara**

## Mpaghara 1: Mkpụrụedemede

Obi bụ nwata siri ike.
O nwere mmasị na mgba.
Ndị obodo ha na-asọ mpi mgba kwa afọ.
Obi na Ikem sọrọ mpi mgba nke afọ a.
Obi buliri Ikem elu ma tụọ ya n'ala.
Ụzụ tụrụ ebe niile.
E bulikwara Obi elu.

## Mpaghara 2: Agụmagụ Aghọtaazaa

Ajụjụ:

1. Kedụ onye ya na Obi gbara mgba?
2. Gịnị mere e ji bulie Obi elu?
3. Olee ndị na-agbakarị mgba?

## Mpaghara 3: Akpọọ Edee

Ọ maara edozi ụlọ nke ọma.

## Nkwupụta Onye Nkụzi:



Ngọzi mụrụ ụmụ ise.

Ụmụ ise a maara akwụkwọ.

Ụmụ ya niile gafere n'ule taam nke atọ.

Ọ zụtaara ha ọtụtụ ihe.

Ọ zụtaara ha oroma ise na ụdara iri.

Ha kere mkpụrụ osisi niile ọ zụtara nhatanha.

Ụmụ ya kelere ya n'obi aṅụrị.

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Ijeọma mụrụ ejima.

Ọ na-azụtara ha ihe abụọ abụọ.

Otu ejima ka nke ọzọ.

Ijeọma mụrụ ụmụ abụọ tupu ụmụ ejima ahụ.

Nke a mere ka ọnụ ọgụ ụmụ ya dị anọ.

Ọtụtụ ndị mmadụ bịara leta ya.

Ha nyere ya ihe onyinye dị iche iche.

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Nna Chinedu na-akọ agwa.

O nwere ugbo agwa iri.

Ọ kọtara akpa agwa iri atọ.

Nna ya nwekwara ugbo ọkpa anọ.

Ọ kọtara akpa ọkpa iri anọ na ise.

Ndị ọrụ ya dị iri abụọ na asaa.

Nri anaghị akọ n'ụlọ Chinedu.

## Ihe Ọmụmụ 1






## Ihe Ọmụmụ 2







Ụlọakwụkwọ Ngọzi nwere ọtụtụ ndị nkụzi.
E nwere klaasị iri na abụọ n'ụlọakwụkwọ ahụ.
E nwere ọba akwụkwọ atọ n'ime ya.
Otu maka ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ogo nta.
Abụọ maka ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ogo ukwu.
Ihe niile zuru oke n'ụlọakwụkwọ Ngọzi.


## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Ada na-agụ praịmarị nke abụo.

Ọ maara apị kọmputa nke ọma.

Nne ochie Ada zụtaara ya kọmputa.

Kọmputa Ada nwere kibọọdụ na maụsụ.


Kọmputa ya nwere ọtụtụ apịlịkeshọnụ.

Ọ na-amasị Ada iji kọmputa ya arụ ọrụ

Ada ji kọmputa ya eme ihe omume ya niile.


## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Obi bụ onye nkụzi.

Ọ zụtara laptọpụ.

Laptọpụ ahụ nwere kibọọdụ na memọrị.

Laptọpụ Obi nwetara ịntaneetị n'ọwa wayaleesi

O nwetara ịntaneetị n'ọwa wayaleesị.


O nwere aịkọn na faịlụ ma na-akpọkwa diski.


Obi ji flaashị akọpị ihe na laptọpụ ya.

Ọ na-enyere Obi aka arụ ọrụ ya niile.


O jikwa ya arụ ọrụ.


## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4







Amaka Okeke nọ praịmarị nke abụọ.

Ọ maara apị kọmputa nke ọma.

Ha nwere kọmputa n'ụlọakwụkwọ ha.

Ọ na-amasị ya ịpị kọmputa.

Ọ ma ụfọdụ ngwa ndị mebere kọmputa.

Ngwa dịka ihu kọmputa na kibọọdụ.

Ọ chọrọ ịbụ ịnjinịa kọmputa dịka Perlman.

Mmụta kọmputa dị nnukwu mkpa n'ọgbọ a.

## Ihe Ọmụmụ 1





## Ihe Ọmụmụ 2







Ike nwere kọmputa n'ụlọ ya.

O ji ya arụ ọrụ n'ụlọ.

Ike gbanyere kompụta ya.

O cheere ka kọmpụta gbaghee nke ọma.

Ike tinyere modem ya na kọmpụta.

Ọ chọpụtara na data ya agwụla.

Ike zụtara data naịra otu puku.

O ji data ahụ banye ma chọọ ihe n'ịntaneetị.

## Ihe Ọmụmụ 3





## Ihe Ọmụmụ 4





# Akwụkwọ Nnwale

**Aha nwa Akwụkwọ:** ______________________

Ọnụọgụgụ mkpụrụokwu e detara

## Mpaghara 1: Mkpụrụedemede

Amaka Okeke nọ praịmarị nke abụọ.
Ọ maara apị kọmputa nke ọma.
Ha nwere kọmputa n'ụlọakwụkwọ ha.
Ọ na-amasị ya ịpị kọmputa.
Ọ ma ụfọdụ ngwa ndị mebere kọmputa.
Ngwa dịka ihu kọmputa na kibọọdụ.
Ọ chọrọ ịbụ ịnjinịa kọmputa dịka Perlman.
Mmụta kọmputa dị nnukwu mkpa n'ọgbọ a.

## Mpaghara 2: Agụmagụ Aghọtaazaa

Ajụjụ:

1. Kedụ klaasị Amaka na-agụ?
2. Gịnị ka ndị ịnjinịa kọmputa na-arụ?
3. Kedụ ihe mere mmụta kọmputa ji dị mkpa n'ọgbọ a?

## Mpaghara 3: Akpọọ Edee

Ọ zụtaara ha ọtụtụ ihe maka na obi dị ya mma.

## Nkwupụta Onye Nkụzi:

— Not for Sale —

PBIP2